Ọrụ Etịmọlọjị Ụmụ Anụmanụ n' Echiche Ịgụ Oge na Usoro Kalenda Omenaala Ndị Igbo.

By

Roseline Ifeoma Eze (PhD)
Arts Education Department, University of Nigerioa Nsukka
eze.roseline@unn.edu.ng
08064008703
&
Chinedu Athanasius Eze(PhD)
Departmemt of Veterinary Surgery and Radiology, University of Nigeris, Nsukka
chinedu.eze@unn.edu.ng
08035491823

Ụmị

Nchọcha a na-eleba anya n'ụzọ ndị Igbo si e ji usoro *etymology* ụmụ anụmanụ akọwa echiche ha gbasara ịgụ oge n' usoro kalenda omenaala. Ndị Igbo, dịka ọtụtụ ndị Afrịka ọzọ, nwere ụzọ pụrụ iche ha si agụ oge site n'ịkọrịta ndụ mmadụ na ihe okike, omenaala na asụsụ. N'ime usoro a, anụmanụ nwere nnukwu ọrụ n'ịkọwapụta aha ụbọchị ahịa, emume, oge ọrụ ugbo, na mgbanwe oge n'afọ. Nchọcha a na-enyocha ka aha na àgwà anụmanụ si gbasaa n'asụsụ ndị Igbo iji kọwaa oge ma ọ bụ site n'ụbọchị ọnwa, oge ọrụ ugbo, ma ọ bụ oge ofufe chi na ka ihe ndị a si gosi njikọ dị n'etiti mmadụ, ihe okike, na uche chi ụwa. E jiri usoro "qualitative descriptive'' mee nchọcha a, site n' ịkparịtaụka ndị ọkammuta n'asụsụ Igbo, ndị okenye, ilu, akụkọ ọdịnaala, akwụkwọ akụkọ. na ndị na-ahụ maka omenaala asụsụ Igbo, Nchọpụta gosiri na usoro anụmanụ na ịgụ oge abụghị ihe na-eme n'efu, kama ọ bụ ihe gbanyere mgbọrọgwụ na gburugburu ebe obibi, na igosi ezi omume na echiche gbasara ihe ọdịnaala. Site n'ụzọ dị etu a, okwu na aha ndị a na-enye aka ichekwa amamihe omenala na ịzọpụta usoro nhazi ndụ obodo. Ọ na-egosikwa na ndị Igbo na-ewere oge dịka ihe jikọtara ndụ mmadụ na ihe okike n'otu ụkpụrụ nke udo na ịdịnotu. N'ighọta mgbọrogwụ dị n'ime etịmọlọjị ụmụ anụmanụ, mmadụ nwere ike ịmata ihe gbasara asụsụ, echiche na nkà amamihe ndị Igbo.

Igodo okwu: *Etịmọlọjị Anụmanụ, Omenaala Igbo, Kalenda Omenaala, Echiche Oge, amamihe omenaala..*

The Role of Animal Etymology in Igbo Traditional Concepts of Time and Calendar Systems

Abstract

This study examines how animal etymology influences the Igbo traditional understanding of time and indigenous calendar systems. Like many African societies, the Igbo interpret time through natural, cultural, and linguistic frameworks, with animals serving as central metaphors and etymological references. Animal names and traits are used to denote market days, agricultural cycles, lunar changes, and ritual events, revealing a profound link between humans, nature, and spirituality. Using a qualitative descriptive approach, data were collected from oral traditions, ethnolinguistic interviews, proverbs, folktales, and archival materials. The findings indicate that animal-related expressions in Igbo time concepts are purposeful, reflecting ecological awareness, moral symbolism, and collective cultural memory. These linguistic and symbolic associations preserve indigenous knowledge systems and function as mnemonic tools for organizing community life and agricultural activities. By framing time through animal imagery, the Igbo people express a worldview that values coexistence and balance between humans and the environment. The study concludes that analyzing the etymological roots of Igbo temporal expressions deepens understanding of the people's linguistic creativity, philosophical insight, and ecological consciousness. It also highlights how such traditional knowledge systems can be preserved within modern interpretations of time.

Keywords: Animal Etymology, Igbo Culture, Time, Traditional Calendar, Indigenous Knowledge.

Ntọala

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ kachasị n'ọnụọgụ n'ala Nigeria, ma ha bi na ndịda ọwụwa anyanwụ nke obodo ahụ. Ha nwere asụsụ nke ha, bụ asụsụ Igbo, nke bụ otu n'ime asụsụ ndị ezinaụlọ Niger–Congo. Ọ bụ asụsụ na-egosipụta ihe omimi nke echiche ndị Igbo, maka naọ bụ n'ime asụsụ ha, ka ha na-akọwapụta echiche

ha gbasara ndụ, mmụọ, oge, na mmekọrịta mmadụ na ihe okike. Dị ka ọtụtụ ndị odee banyere ndị Igbo siri kwuo, Eze (2022) kọwara na .ndị Igbo bụ ndị jikọrọ ndụ ha n'ịtụgharị uche banyere chi, mmụọ, mmadụ, na ihe niile dị n'ụwa. Echiche ha nke ụwa na eluigwe na-egosipụta otu mmadụ si nwee mmekọrịta na chi na mmụọ ndị ọzọ, dịka ndị nna ochie, ndị amụma, na chi nke ala .

Ndị Igbo kwere na e nwere *Chukwu Abiama*, bụ Chi Kasị Elu, onye kere ụwa ma na-achịkwa ihe niile dị ndụ. N'otu aka ahụ, ha nwere chi nta dị iche iche dịka *Ala*, chi nke umeala, nke na-achịkwa ọrụ ugbo, ihe ọmụmụ, ịdị nsọ, na nlekọta gburugburu. Ha kweere na ndụ mmadụ na-agafe n'etiti ụwa a na nke mmụọ, ebe ndị nwụrụ anwụ na-alọghachi dị ka ụmụ ha, nke gosiri na ndụ bụ okirikiri nke na-agbanwe agbanwe. Echiche nke ndụ ha, nke mmụọ na mgbanwegharị oge na-akọwa ihe dị omimi banyere ka ndị Igbo si ghọta oge na ndụ.

Tupu oge ọchịchị ndị colonial abịarute, ndụ ndị Igbo dabere n'ọrụ ugbo na ọrụ aka dị iche iche. Ndị mmadụ bụ ndị ọrụ ugbo nta na ndị na-azụ ahịa obere obere, ma ha nwekwara nka dị elu n'ọrụ nka dị ka ịkpụ ite, ịkụ ọla, ịcha akwa, na ịṅụ mmanya nkwụ (Green, 1964). N'ime usoro mmekọrịta ha, ezinaụlọ, obodo, bụ isi nkekọ akụ na ụba, ndọrọ ndọrọ ọchịchị, na mmekọrịta mmadụ na ibe ya (Idowu, 1999). Ụdị ndụ a mere ka ndị Igbo bụrụ ndị na-arụsi ọrụ ike, nwere ike idi n'otu, na-asọpụrụ ọrụ ugbo na emume ndị jikọtara ha na chi ha.

Otu n'ime ihe pụrụ iche na ndụ ndị Igbo bụ ntụgharị uche ha banyere oge na kalenda. Maka ndị Igbo, oge abụghị naniị ịgụ nkeji, awa, ma ọ bụ ụbọchị dịka ndị Europe si agụ ya, kama ọ bụ ihe a na-ahụ site n'ọrụ ugbo, ọnọdụ ihu igwe, mmegharị ọnwa, na omume anụmanụ. Ndị Igbo nwere usoro kalenda omenaala nke bụ *izu* anọ: *Eke, Orie, Afor, Nkwo*. Ụbọchị ndị a na-eme ka e wee mata oge ahịa, oge emume, na oge ọrụ ugbo. Ọtụtụ obodo Igbo nwekwara kalenda nke izu asaa bụ otu ọnwa (*otu ọnwa*), nke dabere n'imegharị ọnwa. Ụdị kalenda a nwere njikọ chiri anya na ihe omume okike, ọkachasị anụmanụ na osisi.

N'ime isiokwu a bụ etimọlọjị ụmụ anụmanụ nke pụtara nkọwa ka aha anụmanụ si bụrụ ma ọ bụ ihe ha pụtara n'asụsụ na-ewe nnukwu ihe n'echiche oge ndị Igbo. Ụfọdụ aha oge, aha ọnwa, ma ọ bụ aha emume sitere n'aha maọbụ agwa anụmanụ a na-ahụ n'oge ahụ. Dịka ọmụmaatụ, e nwere oge ndị Igbo na-akpọ "ọnwa ehi na-

ata ahịhịa" maọbụ "ọnwa anụ ọhịa na-apụta n'ọhịa" nke na-egosi oge anụmanụ ndị ahụ na-apụta maọbụ na-emegharị. Ihe ndị a na-egosi na ndị Igbo na-agụ oge site n'ịhụ mmegharị ihe okike, ọ bụghị site n'ịgụ n'usoro ọnụọgụ.

Ọtụtụ okwu Igbo metutara oge na-eji aha anụmanụ enye ihe ọmụmaatụ maọbụ akara dị n' omume mmadụ. Dịka ọmụmaatụ, a na-ekwu "ọ bụ oge anụ ọhịa" iji kọwaa oge ihe isi ike maọbụ oge mmadụ na-agbasi mbọ ike. N'usoro a, anụmanụ bụzị ihe ọmụmaatụ nke oge, nke mgbanwe, na nke amamihe ndị obodo. Nchọpụta gosiri na asụsụ na omenalaa na-arụkọ ọrụ ọnụ n'ịchepụta echiche ndị mmadụ banyere ụwa. Shahjahan, A. (2012) kọwara na ịghọta *nkọwa mmalite okwu* anụmanụ n'asụsụ Igbo na-enye aka ịghọta ka ndị Igbo si ghọta oge, ọrụ ugbo, na mmekọrịta ha na chi na na elu ụwa .

Emume ndị Igbo dị ka *Iri Ji Ọhụrụ* bụ ihe dị mkpa n'ịgụ oge nakwa ịchekwa njikọ mmadụ na chi. Ọ bụ n'oge emume ndị a ka e ji eme ihe ngosi nke ndụ ọhụrụ, ihe ubi, na mgbaghara. Ọtụtụ n'ime emume ndị a na-ejikọta na ọnwa maọbụ oge a na-ahụ anụmanụ ụfọdụ. Dịka ọmụmaatụ, e nwere emume ndị a na-eme mgbe a na-ahụ ka anụmanụ ụfọdụ pụta, dịka udele, anu nkịta ọhịa, ma ọ bụ nnụnụ pụrụ iche, nke na-egosi oge ọkọchị ma ọ bụ oge ubi ọhụrụ. N'ụzọ a, njikọ n'etiti anụmanụ na oge ghọrọ ihe dị mkpa n'echiche ndị Igbo banyere oge.

Ihe ọzọ dị mkpa bụ na ndị Igbo jiri ihe ndị a mee usoro mmụta na nkwukọrịta. Ndị okenye ji ilu na okwu nke sitere n'aha anụmanụ kọwaa ihe gbasara oge, mmụọ, na ndụ mmadụ. Dịka ọmụmaatụ, ilu dịka "anyị na-ahụ anụ ọhịa mgbe ọhịa gwụchara" ma ọ bụ "oke na-enyo mmiri tupu mmiri daa" na-egosi ụdị nghọta nke oge na ihe ga-eme n'ihu. Nke a na-egosi na ndị Igbo jiri anụmanụ nyee ọmụmaatụ nke oge, na nlekọta nke ụwa.

Usoro ebimndụ ndị Igbo oge gara aga nwere ọtụtụ ihe jikọtara ha na gburugburu ebe obibi. Ọ bụghị naní n'ihe oriri na emume, kamakwa n'ịzụlite ụmụaka, ịzụ ahịa, na ịzụlite ụmụnwaanyị n'ime ọrụ ezinaụlọ. Ndị nwoke n'ogo nwata na-aga n'ụlọ ndị nna ukwu ka ha mụta nka na azụmahịa. Mgbe ha mụchara ihe ndị a, e nyere ha ohere iji bie ndụ nke ha. Ndị nwaanyị n'aka nke ọzọ na-amụta nka n'ụlọ di maọbụ n'aka ndị nne ukwu ka ha mara ka e si ejikwa ezinaụlọ, na-azụ ụmụ, ma bụrụ ezigbo nwunye. Anyachebelu na Umeodinka. (2025) kwadoro na ihe ndị a

niile na-egosi ụkpụrụ ịdị uchu n'ọrụ, ịgba mbọ, na ịdịnotu nke na-eme ka ndụ obodo dịrị n'udo. Ọ bụ n'ime usoro ebimndụ ndị a ka echiche oge na-anọchi anya ihe dị mkpa. Ndị Igbo na-eji kalenda ha tụgharị ọrụ ugbo, emume, na ebimndụ kwa ụbọchị. Ọ bụ ihe dị omimi n'ime usoro a ịhụ na asụsụ na omenala na-arụkọ ọrụ ọnụ. N'ihi ya, nchọcha a chọrọ ịkọwa ka nkọwa mmalite okwu anụmanụ si metụta echiche oge na usoro kalenda omenaala ndị Igbo. Ihe a ga-enye aka ịghọta na abịa n' echiche ndị Igbo, oge abụghị naanị nke mmadụ, kama ọ bụ nke chi ụmụ anụmanụ, na nke ihe niile dị ndụ.

N'ụwa taa, n'oge mbido ụwa na mmegharị omenaala site n'ọchịchị ndị mba ọzọ, ọtụtụ amamihe gbasara omenaala dị ka nke na-efunarị ngwa ngwa. Ọtụtụ ndị Igbo, ọkachasị ụmụaka, amaghịzi ka e si agụ oge omenaala ma ọ bụ ihe ọmụmaatụ anụmanụ pụtara n'asụsụ Igbo. N'ihi ya, nchọcha a dị mkpa iji chekwaa amamihe omenaala ndị Igbo maka ịgụ oge, asụsụ, na ihe okike. Ọzọkwa, ọ na-enye ohere ịghọta ka asụsụ si bụrụ ihe nchekwa amamihe ndị nna ochie, ma na-enye aka ịkwalite echiche ndị Igbo banyere ndụ na oge.

Ọ bụkwa site n'ịtụgharị uche na ka anụmanụ si metụta nghọta oge ka anyị nwere ike ịhụta ka ndị Igbo si e ji asụsụ ha eme ihe n'ịkọ akụkọ ihe mere eme, omenaala na amamihe. Nchọcha a ga-enye aka ịkọwa ka okwu na aha anụmanụ si bụrụ akụkụ nke usoro amamihe ndị Igbo gbasara oge, ọrụ ugbo, na emume. Ọ ga-enyekwa nghọta maka amamihe gbasara asụsụ na echiche omenaala, na ka e nwere ike iji ya kwado nchịkọta amamihe omenala n'oge ugbu a.
Maka ihe ndị a, ebumnuche nchọcha a bụ ịmata ka :

1. Nkowa mmalite okwu ụmụ anụmanụ si emetụta nghọta oge omenaala n'ala Igbo;
2. Ọmụmaatụ na aha anụmanụ si bụrụ akara ngosi oge n'asụsụ Igbo;
3. Usoro amamihe ndị a si enye aka n'ichekwa na ịghọta omenaala ndị Igbo n'oge a.

N'ịtụgharị uche ka ngalaba asụsụ si bụrụ ụzọ nchekwa amamihe, nchọcha a ga-agbakwunye ihe ọhụụ n'omụmụ gbasara etimọlọjị, omenaala, na amamihe ndị Igbo. Ọ ga-enyekwa nkwado n'omụmụ metutara mmekọrịta mmadụ na ihe okike, na ka ndị Igbo si ewere oge dị ka ihe ndụ, na-abawanye, ma jikọtara na chi na ụwa.

Ihe a ga-enyere ndị ọkammụta asụsụ aka, ndị ọkachamma n'omume, na ndị na-eme nchọpụta omenaala aka ịghọta na oge, dịka ndị Igbo si hụ ya, bụ akụkụ nke ndụ na nsọpụrụ ihe okike. Ọ bụkwa ihe ga-enyere aka n'ịzụlite mmụta na nyocha banyere *animal etymology* n'asụsụ ndị Afrịka n'ozuzu ya.

Ntulegharị agụmagụ

Echiche oge na usoro kalenda

Ileba anya na **ọrụ anụmanụ n'echiche oge na usoro kalenda ọdịnaala Igbo** bụ otu n'ime ụzọ kachasị mkpa iji ghọta asụsụ na omenaala ndị Igbo. Ụwa ọdịnaala ndị Igbo jupụtara n'echiche, asụsụ, na omume ndị e jiri kee usoro ndụ ha, nke jikọtara mmụọ na mmadụ, ụwa na eluigwe, ihe okike na ndụ. Green (1964) kwadoro na ọ bụ n'ime usoro a ka e si ghọta na **oge,** n'echiche ndị Igbo, abụghị naanị ihe a na-agụ site n'elekere ma ọ bụ kalenda oyibo, kama ọ bụ ihe dị ndụ, nke na-apụta site n'omume, arụsị, na ihe omume kwa afọ .

Ndị Igbo ji ihe dị iche iche akọwa oge: o metutara ụbọchị, ọnwa, ma ọ bụ afọ, ma nke a niile jikọtara n'ụzọ dị omimi na omenaala, chi, na ihe anụmanụ. Ụfọdụ anụmanụ, dịka ọkụkọ, ugo, nkịta, na oke, bụ ihe e ji akọwa oge ma ọ bụ ihe omume. Ụda ọkụkọ, dịka ọmụmaatụ, bụ akara ngosi nke ụtụtụ, nke pụtara mmalite oge ọhụụ. N'otu aka ahụ, aha dị ka *Ọnwa Ugo*, *Ọnwa Ifejiọkụ*, na *Ọnwa Agwụ* gosipụtara mmekọrịta dị n'etiti ihe okike na usoro oge n'ala Igbo (Ogbalu, 1965).

Echiche oge n'ala Igbo

Echiche oge n'omume ndị Igbo sitere na nghọta dị omimi maka ụwa mmadụ na nke mmụọ. Dị ka Idowu (1999) si kọwaa, ndị Afrịka na-ele oge anya dịka ihe dị ndụ nke na-emegharị onwe ya; ọ bụghị ihe na-agafe ma ọ bụ nke a na-atụgharị naanị site n'elekere. N'ala Igbo, oge na-adị ndụ site n'ịbịarute, ịlaghachi, na mmegharị oge afọ, ọ bụ usoro ''*cyclical*,' ọ bụghị ''*linear*''.

Usoro a pụtara na oge niile nwere mbido na ngwụcha, nke na-abụkarị oge ọzọ maka mmalite ọzọ. Nke a bụ ihe mere na emume dịka *Ịwa Ji*, *Ịgọ Chi*, *Ịkụ Arịrị*, maọbụ *Ịkwa Ozu* ji bụrụ ụzọ e si mee ka oge dị ndụ. N'echiche Ekechi (1981) oge abụghị naanị *ihe a na-agụ*, kama ọ bụ *ihe mmadụ na-asọpụrụ*.

Ụbọchị Ahịa Anọ dị mkpa maka na o mejupụtara izu ọdịnaala Igbo: *Eke, Orie, Afọ,* na *Nkwọ*. Ụbọchị ndị a nwere ọrụ nke ha na omenaala. Dị ka Ogbalu (1965) si kwuo, *Eke* bụ ụbọchị nsọ nke chi, *Orie* bụ maka azụmahịa, *Afọ* bụ ụbọchị e ji arụ ọrụ ugbo, ebe *Nkwọ* bụ maka izu ike ma ọ bụ mgbanwe. N'ụzọ a, oge jikọtara n'otu ụzọ na ọrụ, arụsị, na mmekọrịta mmadụ.

Kalenda ọdịnaala Igbo

Ndị Igbo nwere usoro nke ha ji agụ oge, nke a na-akpọ **Igụafo Igbo** ma ọ bụ **Kalenda Omenaala Igbo**. Ka usoro a si arụ ọrụ bụ na otu ọnwa (ọnwa omenaala) nwere **izu asaa** nke ụbọchị anọ ya bụ, ụbọchị iri abụọ na asatọ. Nwoga (1984) kọwara na a na-agbakwunye otu ụbọchị n'afọ iji mee ka afọ zuru oke, ya mere e nwere ọnwa iri na atọ.

Ọnwa ndị ahụ nwere aha dabara n'omume, ugbo, ma ọ bụ arụsị dị mkpa n'oge ahụ. Ọmụmaatụ:

- *Ọnwa Ifejiọkụ* bụ oge e ji kwanyere mmụọ *Ji* ùgwù tupu oge owuwe ihe ubi;
- *Ọnwa Agwụ* bụ oge a na-eme emume *Agwụ*, mmụọ ọgwụ na ogwu;
- *Ọnwa Ilo Mmụọ* bụ oge e ji atụgharị uche banyere ndị nwụrụ anwụ;
- *Ọnwa Ana* bụ oge a na-asọpụrụ chi ala.

N'usoro a, oge jikọtara n'ọtụtụ ụzọ metuta ọrụ mmadụ, ọrụ ugbo, na okpukperechi. Nwoga, (1984) kwuru na kalenda ọdịnaala Igbo bụ **ụzọ e ji kee mmekọrịta mmadụ na ihe okike.**

Ọrụ anụmanụ n'echiche oge

N'ime ọtụtụ anụmanụ ndị dị n'ala Igbo, ọkụkọ bụ nke kacha nwee njikọ pụtara ihe na oge. Ọkụkọ bụ anụmanụ a na-ahụkarị n'obodo ala Igbo, ma ọ bụghị naanị maka nri, kama ọ bụ *ihe ọmụmaatụ nke oge na ndụ*. Ụda ọkụkọ na ụtụtụ bụ akara ngosi nke mmalite ụbọchị ọhụụ, nke a na-ewere dịka oge nsọ. Ọkàmmụta Nwobodo (2021) kwuru na ụda ọkụkọ mbụ bụ *kọkọrọkọọ* nke na-eme ka mmadụ mara na chi ọhụrụ efoola. Nke a mere ka ọkụkọ bụrụ ihe nsọ n'omume dị iche iche, dịka *Ịgọ Ofo*, *Ịrụ Agwụ*, ma ọ bụ *Ịgwa Alụsị*. Ọ bụkwa ihe e ji achụ aja n'ihi na ọ na-anọchi anya ndụ mmadụ. Eze na Ewelum 2023).



A na-ahụkwa ihe ọmụmaatụ maka njikọ anụmanụ na oge n'omenaala ụfọdụ ndị mba ụwa ọzọ. N'okpukpe ndị Hindu, Song naYoon (2025) kọwara na ọkụkọ bụ ihe nnọchianya nke chi agha *Karttikeya*, ebe okpukpe ndị Japan na-eji ọkụkọ ebu ozi maka chi ụtụtụ *Amaterasu*. Nke a na-egosi na echiche ọkụkọ dịka onye ozi oge bụ ihe jikọrọ omenaala ndị ụwa (Shahjahan, 2012).

Etimọlọjị ikwuputa okwu ụmụ anụmanụ na asụsụ Igbo

Ọtụtụ okwu Igbo sitere na aha anụmanụ nwere njikọ metutara oge ma ọ bụ omume. Ọmụmaatụ, okwu *ọkụkọ* sitere na okwu *kụkọrọ*, nke pụtara ịkpọ, ma jikọta na ụda ya nke na-akpọ oge ụtụtụ. Okwu *ugo* pụtara anụmanụ dị nsọ nke a na-ejikarị akọwaa oge nsọ ma ọ bụ ihe ọma *"Ugo chịrị aja, oge eruola."* Okwu ndị a na-egosi na **etimọlọjị** aha anụmanụ abụghị naanị ihe mgbọrọgwụ okwu, kama ọ bụ ụzọ e si wuo echiche oge n'asụsụ Igbo (Bhatti 2012). Ọtụtụ n'ime ilu na okwu Igbo na-eji anụmanụ kọwaa oge ma ọ bụ ọnọdụ ndụ:

- *Mgbe ọkụkọ kọọrọ ọbọ, ụtụtụ eruola* oge amalitela.
- *Ugo e jiri mara nwaanyị adighị egbu ya n'ọkụ* oge ọma nwere atụmanya.
- *Oke na-agbapụ mgbe mmiri bilitere* oge mgbapụ na-abịa mgbe ihe adighị mma.

Ilu ndị a gosipụtara na asụsụ Igbo n'onwe ya bụ akpa echiche nke oge na **etimọlọjị nke okwu anụmanụ** bụ isi ụzọ n'ighọta oge omenaala.

Ọrụ okpukperechi na mmụọ nke ọkụkọ

N'ọtụtụ arụsị ọdịnaala, ọkụkọ bụ onye ozi n'etiti mmadụ na chi. Ọbara ya bụ ihe a na-ewere dị nsọ ma na-anọchi anya ndụ mmadụ. Mgbe mmadụ chọrọ ịchụ aja maka mmehie, a na-eji ọkụkọ mee ya, iji kwụọ ụgwọ ma ọ bụ gosi ekele nye chi (Achebe 1975). Ọkụkọ na-anọkwa n'ọrụ ịkụ ihe omimi. Ụfọdụ ndị Dibia Igbo kwenyere na ọkụkọ nwere ike ịkọwa ihe ga-eme site n'omume ya dịka o si gba ọsọ, ma ọ bụ ma ọ bụrụ na ọ tie mkpu ụda mgbe chi ọhụụ anaghị apụta. Ọ bụ ụdị *ọgwụ amaghị ama* nke jikọtara anụmanụ na mmụọ. (Ma na Shen 2024). N'echiche a, ọkụkọ abụghị naanị anụmanụ, kama ọ bụ ihe nwere *ọdịnaala*, amamihe na *ike nsọ*.

Ụzọ ndị Igbo si eji oge eme ihe

Ndị Igbo jiri oge kpọrọ ihe n'usoro ndụ ha niile. Oge na-achịkwa ọrụ ugbo, oru ụlọ, emume, na mkparịtaụka. Ọ dịkwa mkpa na omenaala Igbo na-ekere òkè n'iji oge kpebie ihe omume. Ọmụmaatụ, a naghị akọ ugbo ụbọchị *Eke*, maka na a na-ewere ya dịka ụbọchị nsọ maka chi. Ụbọchị *Orie* bụ nke ahịa, *Afọ* bụ maka ọrụ ugbo, ebe *Nkwọ* bụ maka izu ike. Nke a na-egosi na oge jikọtara usoro ọrụ mmadụ, ma ọ bụghị ihe a na-atụgharị naanị n'ọgụgụ (Ekechi 1981).

Otu ihe pụrụ iche bụ **ịgụ ụbọchị site n'omume anụmanụ**. Mgbe ụfọdụ, ndị Igbo na-ele omenaala anụmanụ iji mara ma oge eruola. Dịka ọmụmaatụ, mgbe ọkụkọ bidoro ịkpọ ụtụtụ oge niile, a maara na oge owuwe ihe ubi na-abịa. Nke a bụ ihe a na-akpọ *"Ịgụ oge site n'anụmanụ."*

Echiche oge dịka akụkụ nke ndụ mmadụ

Ndị Igbo kwenyere na oge na-achị ndụ mmadụ. Ụbọchị ọmụmụ, ụbọchị agbamakwụkwọ, ma ọ bụ ụbọchị ọnwụ nwere oge nke ha. Oge a anaghị emeghị ihe enweghị njikọ mmụọ. Eze (2022)..

kwuru na asụsụ bụ ebe mmụọ mmadụ na-echeta ịgụ oge na ebimndụ. Nke a pụtara na mgbe anyị na-ekwu maka oge n'asụsụ Igbo, anyị na-ekwu maka ndụ mmadụ n'onwe ya.

Oge dị n'echiche ndị Igbo na-alaghachi, ya bụ, ihe gara aga nwere ike ịbịaghachi. Nke a bụ ihe mere okwu dị ka *ịlọ uwa* ji pụta—nke pụtara na oge na ndụ na-ewegharị onwe ha. N'otu aka ahụ, ọkụkọ na-ekwupụta oge ahụ kwa ụtụtụ, na-eme ka mmadụ mata na ndụ na-aga n'ihu.

Mkpa Ọrụ Nchọcha dị

Nchọcha a na-achọ igosi ka **aha na etimọlọjị nke anụmanụ**, ọkachasị ka nke ọkụkọ, si bụrụ akụkụ nke usoro oge na kalenda ọdịnaala Igbo. Ọ na-achọkwa igosi ka ọdịbendị na asụsụ si arụkọ ọrụ n'ịchekwa amamihe gara aga.

N'ụwa taa, ebe kalenda Gregorian na elekere dijitalụ maliterela ijide ụwa, ọtụtụ ndị na-agbaghara usoro Iguafo Igbo, nke bụ otu n'ime ihe kacha pụta ìhè na nghọta omenaala anyị. Ọ bụrụ na a naghị echekwa ya, e nwere ihe egwu na ọ ga-apụ n'anya. Ọ bụ ya mere nnyocha a ji dị mkpa iji chekwaa ihe nketa asụsụ, ọdịbendị, na ihe ọmụma ndị nna nna anyị hapụrụ Ogbalu. (1965).. Ọzọkwa, ọmụmụ a nwere uru na mmụta asụsụ, omenala, na ọdịnala Afrịka. Ọ ga-enyere ndị nchọpụta, ụmụ akwụkwọ, na ndị na-ede akwụkwọ aka ịghọta etu asụsụ si bụrụ akpa echiche, ma ghọta na okwu anụmanụ abụghị naanị aha, kama bụ ihe e ji wuo usoro echiche mmadụ.

Atụtụ Mmụgharị

Atụtụ Edward Sapir (1929) kwusiri ike na **asụsụ bụ usoro echiche mmadụ**; ọ bụghị naanị ihe eji kwurịta echiche, kama ọ bụ ụzọ a si eche echiche n'onwe ya. Benjamin Lee Whorf (1956) gbakwụnyere na **ụzọ asụsụ si kee okwu na ihe na-achịkwa otú ndị mmadụ si ghọta ụwa ha.**

N'echiche ndị a, **asụsụ na-ekere òkè na ịkụzi echiche oge**. Maka ndị Igbo, okwu ndị metụtara anụmanụ dịka *ọkụkọ, ugo, oke, nkịta na ndị ozọ* abụghị naanị aha anụmanụ, kama ha bụ ihe e ji akọwa oge, omume, na ọnọdụ ndụ. Ụzọ e si e ji ọkụkọ akọwa ụtụtụ*"Mgbe ọkụkọ kọọrọ ọbọ, ụtụtụ eruola"*na-egosi na asụsụ Igbo na-eme ka mmadụ chee oge n'ụzọ pụrụ iche. Ya mere, n'echiche Sapir Whorf, asụsụ Igbo na-akọwa oge site n'etimọlọjị nke okwu anụmanụ, nke na-eme ka onye Igbo ghọta oge dịka ihe dị ndụ,

Echiche Cultural Ecology nke Julian Steward (1955) na-akọwa ka **omenaala si atụgharị ma ọ bụ mepụta usoro ndụ dabere n'ebe mmadụ bi na ihe okike gbara ha gburugburu.Ọ**mụmaatụ, n'ala Igbo, oge ugbo, owuwe ihe ubi, na emume ndị e jikọtara na ọnwa omenaala (dịka Ọnwa Ifejiọkụ, Ọnwa Agwụ) sitere n'ịhụ na gburugburu ebe obibi na-agbanwe site n'oge ruo n'oge. N'echiche a, **aha anụmanụ na omume ha** (dịka ọkụkọ na-eti mkpu n'ụtụtụ, oke na-apụta mgbe mmiri bidoro,

ugo na-apụta n'oge anyanwụ zuru oke) bụ ụzọ ndị Igbo si agụ oge. Steward kwuru na omenala na-arụ ọrụ n'ịzaghachi gburugburu ebe mmadụ bi; nke a na-egosi na **omenaala Igbo** jiri anụmanụ dị n'obodo ha wuo usoro oge na kalenda ha. Ọ bụkwa ya mere kalenda omenaala Igbo ji bụrụ '' *environmental calendar*,'' nke sitere n'ịhụ ihe okike. N' usoro a, Cultural Ecology na-akwado na **echiche oge Igbo sitere na mmekọrịta mmadụ na ihe okike**. Ọ bụghị usoro e wepụtara n'uche naanị, kama bụ ihe e guzobere site n'obodo, anụmanụ, ugbo, na gburugburu.

Usoro Nchọcha

Ụdị Nchọcha a gbasoro bụ usoro *nchọpụta nkọwa àgwà mmadụ* (qualitative descriptive research design) maka na ebumnuche ya bụ ịkọwa ụzọ zuru ezu ka mgbọrọgwụ okwu ụmụ anụmanụ si emetụta nghọta ndị Igbo gbasara oge na usoro kalenda omenaala. Ụdị nchọcha a dịabara n'isiokwu e ji ya eme maka na ọ bụ ọmụmụ metutara omenaala, Ya bụ ụdị nchọcha na-enye ohere ịmụta ihe site n'ahụmịhe, okwuchukwu, na ụkpụrụ dị n'omume ụbọchị niile nke ndị mmadụ. N'echiche nke a, nchọpụta anaghị achọ ọnụ ọgụgụ nkịtị kama o na-elekwasị anya n'ịkọwa ihe n'ụzọ miri emi site n'echiche nke ndị Igbo n'onwe ha.

Ọzọkwa, ụdị nchọcha a kwekọrọ n'ọrụ a maka na isiokwu ya etimọlọjị/mgbọrọgwụ okwu ụmụ anụmanụ bụ akụkụ asụsụ, omenaala, na echiche ụwa nke ndị Igbo. Ọ bụrụ na e jiri usoro ọnụ ọgụgụ mee ya, ọ gaghị eme ka a mata ezi nghọta nke ọdịbendị na ihe omimi dị n'asụsụ Igbo. Ya mere, nchọpụta nkọwa bụ ụzọ kacha mma iji gosipụta ọdịnaala, okwu, na ọmụmaatụ anụmanụ e ji atụnyere oge n'omume ndị Igbo.

Ebe a nọ mee ya bụ nchọcha bụ na ogbe ndị South-East Nigeria ebe ndị Igbo bi. Ụfọdụ n'ime ebe ndị a gụnyere Nsukka, Nnewi, Afikpo, na Arochukwu. A họpụtara ebe ndị a maka na ha nwere ọtụ oama menaala Igbo na ụdị okwu e ji anụmanụ ama atụ ihe. Ọzọkwa, ndị dị n'ebe ndị a ka na-ejigide ọtụtụ ihe ọdịnaala metụtara oge, dịka emume iri ji, ụbọchị ahịa, na usoro ịkpụ oge n'oge udu mmiri na oge ọkọchị.

N'ebe ndị ahụ e nwere ndị okenye na ndị nkuzi asụsụ Igbo nwere ike ịkọwa okwu na ihe ọmụmaatụ sitere na ndụ ndị nna ochie gara aga, nke na-enye nkwado na nghọta omimi gbasara otú oge si arụ ọrụ n'echiche ndị Igbo.

Ọnụọgụ ndị e ji mee nchọcha sonyere n' ajụjụ ọnụ gụnyere ndị okenye, ndị nkuzi, ndị odeakụkọ, na ndị na-eme ihe gbasara omenaala. Mkpokọta ndị a bụ ndị nwere amamihe gbasara usoro oge omenaala na mgbọrọgwụ okwu anụmanụ. Ndị a bụ ndị e chere na ha ahụọla ịhe ọtụtụ afọgara aga ma nwee ikike ịkọwa ihe dị omimi metụtara omenaala Igbo.

Ọtụtụ n'ime ha bụ ndị na-agba mbọ ịchekwa ọdịnaala, ndị na-akụziri ụmụ akwụkwọ ihe gbasara ilu, akụkọ ifo, na okwu mgbọrọgwụ n'asụsụ Igbo. Site n'aka ha, e chọpụtara na e nwere ọtụtụ okwu metụtara oge nke sitere n'anụmanụ dịka ọkụkọ (rooster), *eke* (python), *aṅụ* (bee), *nkịta* (dog), na *nnụnnụ* (bird).

N'iji mee ka nchọpụta a bụrụ nke nwere ezi ntụkwasị obi, e jiri usoro nsere '' *purposive sampling technique''* họpụta ndị sonyere. A họpụtara mmadụ iri abụọ na abụọ (22) gbadoro ụkwụ na ahụmịhe na amamihe metutara asụsụ Igbo na omenaala.

- Ndị okenye dị asatọ (8)
- Ndị nkuzi omenaala/asụsụ dị isii (6)
- Ndị ode akụkọ na ndị na-ede akụkọ ifo dị anọ (4)
- Ndị na-eme ihe gbasara emume omenaaladị anọ (4)

Usoro a kwere ka e nwee nghọta sitere n'echiche dị iche iche, nke ndị na-asụ asụsụ, nke ndị na-akụzi omenaala, na nke ndị na-etinye ihe ndị ahụ n'ọrụ ụbọchị niile.
Iji nweta ozi dị mkpa, e jiri ngwaọrụ ndị a mee nchọcha:

1. **Ajụjụ ọnụ (Oral Interview):** A jụrụ ndị okenye na ndị nkuzi ajụjụ banyere otu okwu anụmanụ si abanye n'echiche oge n'Igbo. Ajụjụ ndị a metụtara ụbọchị ahịa (Eke, Orie, Afọ, Nkwo), oge iri ji, oge ịkụ na ịkụkọta ihe ubi, na emume ọdịnaala ndị ọzọ.
2. **Nkwupụta ọnụ (Oral Narratives):** E jiri akụkọ na ọdịnaala ndị a na-akọ site n'ọnụ mee ihe iji chọpụta etimọlọjịgmgbọrọgwụ okwu nke e ji anụmanụ atụ oge ma ọ bụ kalenda.
3. **Ilu na Akụkọ Ifo:** A chịkọtara ilu metụtara anụmanụ nke na-egosi nghọta oge, dịka "*Okuko na-eti mkpu mgbe chi foro* nke na-egosi mmalite nke ụtụtụ ụbọchị.

4. **Akwụkwọ Nchekwa Omenaala (Archival Materials):** A tụlere akwụkwọ akụkọ gara aga, akwụkwọ ndị edere banyere omenaala Igbo, na akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo nke nwere ihe ọmụmaatụ na nkọwa oge omenaala.

Ngwaọrụ ndị a nyere ohere ịnakọta data sitere n'akụkụ ọdịbendị, ihe ọmụmaaatụ, na okwu ndị e ji akọwa oge na ndụ ndị Igbo.

Ụzọ e Si nyochaa data (Method of Data Analysis) bụ site n'inyocha isiokwu na ọdịnaya (thematic and content analysis) gbasara ozi a chịkọtara. Nke a gụnyere ịkekọrịta ozi n'okpuru isiokwu ndị dị ka:

- Etimọlọjị nke anụmanụ n'aha ụbọchị ahịa na oge ubi.
- Ihe ọmụmaatụ anụmanụ e ji akọwa oge na chi.
- Njikọ nke okwu anụmanụ na ọdịbendị na ihe mmụọ.
- Ka ọmụmaatụ ndị a si bụrụ ụzọ e si echeta oge na imejuputa omenaala.

A nyochara data ọ bụla site n'ịtụnyere isiokwu dị iche iche wee chọpụta ihe jikọrọ ha ọnụ dịka ihe odide, ihe atụ, na nghọta omenaala.

Iji hụ na nchọpụta a nwere nkwenye na ntụkwasị obi **(Validity and Reliability)**, e mere nyocha mbụ nke ajụjụ ọnụ site n'aka ndị ọkachamara abụọ na ngalaba Edukeshọnụ Nka na asụsụ Igbo site na Mahadum Naijiriịa, dị na Nsụka. Ha nyere ndụmọdụ banyere nhazi okwu, iji asụsụ kwesịrị ekwesị, na ịdị omimi nke ajụjụ. Ka e mesịrị, a nwalere ajụjụ ọnụ ahụ n'ime obere obodo iji hụ na ndị sonyere ghọtara ya nke ọma. N'ịbụ nke a, e wee kwado na data a ga-anakọta ga-adị ezigbo mma ma kwekọọ n'echiche omenaala nke ndị Igbo n'eziokwu.

Ụkpụrụ Ọmume Nchọpụta (Ethical Considerations)

A kpọrọ ndị sonyere kpọmkwem wee kọwaa ha ihe kpatara e ji eme nchọcha ahụ. A nyeere ha ohere ịhọrọ n'onwe ha ma ha chọrọ iso sonyere ma ọ bụ bụghị. A kwadoro omume nzuzo (confidentiality) nke pụtara na a gaghị ekpughe aha onye sonyere ma ọ bụ ozi nke nwere ike gosi onye ọ bụ. A kwadoro nkwanye ugwu na nsọpụrụ n'oge ajụjụ ọnụ, e jiri asụsụ Igbo mee ihe iji mee ka nkparịtaụka dị mfe ma sie ike. Ọtụtụ n'ime ndị sonyere ji asụsụ bekee kpọrọ ihe na-ekwu okwu, ma e wee tụgharịa ha n'asụsụ Igbo ka ọdịnaya ghara ifụ n'aka.

Mmechi

N'ịchịkọta echiche niile e gosipụtara n' ọrụ a, e gosiri na ọmụmụ gbasara *etimọlọji anụmanụ* n'echiche oge na usoro kalenda ndị Igbo bụ ụzọ dị mkpa iji chekwaa

asụsụ na omenaala Igbo. Nnyocha a kụziiri na oge n'omenaala Igbo abụghị naanị ihe e ji tụọ ụbọchị ma ọ bụ ọnwa, kama ọ bụ akụkụ dị omimi nke ndụ mmadụ, mmụọ, na mmekọrịta ya na ihe okike.

A chọpụtara na ndị Igbo na-ahụ oge dịka usoro mmalite, mmepe, na mmechi, nke na-emegharị onwe ya n'afọ ọ bụla dịka ndụ mmadụ. Ụfọdụ anụmanụ dịka ọkụkọ, ugo, oke, na nkịta na-anọchite anya ihe dị mkpa n'echiche oge, dịka ọkụkọ bụ onye na-akpọ mmalite, ugo bụ akara nke nsọpụrụ, ebe oke ma ọ bụ nkịta nwere ihe nnọchianya gbasara oge, nche, ma ọ bụ ọrụ mmadụ n'ọhịa. Ihe ndị a gosipụtara na okwu ndị a sitere n'omume ndụ kwa ụbọchị ma bụrụ ụzọ ndị Igbo si kwekọọ na ụwa ha.

Usoro kalenda ọdịnaala Igbo, dịka *Iguafo*, na-egosi na oge bụ ihe dị ndụ nke na-anọnyere mmadụ, na-asọpụrụ chi, ma na-eme ka mmekọrịta dị n'etiti mmadụ, chi, na ihe okike sie ike. E gosikwara na etimọlọji nke aha anụmanụ bụ ụzọ ndị Igbo ji kee ihe ọmụma, cheta ihe gara aga, ma hazie ndụ ha kwa ụbọchị, ọkachasị n'ọrụ ugbo na emume ọdịnaala.

N'ụzọ zuru ezu, nnyocha a kwadoro na nghọta banyere oge n'ala Igbo bụ ihe jikọtara amamihe, omenaala, na asụsụ. Site n'ịtụgharị uche n'etimọlọji okwu anụmanụ, e nwere ike ịghọta na asụsụ Igbo bụ *ụlọ nchekwa amamihe* nke na-enye ụzọ iji kọwaa njikọ mmadụ na ụwa. Nke a na-akpọ ka e mee ka asụsụ na omenaala Igbo bụrụ ụzọ ọhụụ nke ọmụmụ banyere oge, ndụ, na ịdị adị mmadụ n'ime ụwa okike.

Nchọpụta

Nchọpụta gosiri ọrụ dị ukwuu etimọlọji anụmanụ na-arụ n'ịmepụta echiche ịgụ oge n'omume na omenaala ndị Igbo. N'ụwa nghọta ndị Igbo, oge abụghị ihe e ji igwe ma ọ bụ kalenda na-akọ naanị, kama ọ bụ ihe dị ndụ nke jikọtara mmadụ, mmụọ, na ihe ekere eke ọnụ. Ụzọ ndị Igbo si e ji aha anụmanụ dịka *ọkụkọ*, *ugo*, *oke*, na *nkịta* kọwaa oge na-egosi otú ha si were ihe omimi nke anụmanụ wee kee nghọta oge, oge ọrụ ugbo, na mmegharị nke ụwa. Anụmanụ ndị a abụghị naanị ihe ọmụmaaatụ, kama ha na-anọchi anya usoro ndụ, omume, na ụkpụrụ mmụọ nke na-achịkwa ndụ mmadụ n'ụwa Igbo.

Nchọpụta gosikwara na usoro kalenda ọdịnaala Igbo (*Igu Afo*) na usoro e si akọ oge jikọtara asụsụ, omenaala, na gburugburu ebe obibi n'otu ụzọ siri ike. Aha anụmanụ n'asụsụ oge anaghị adị n'efu, ọ bụ ihe na-ejigide amamihe omenaala, mmụta ndụ, na ụzọ e si echeta ihe gara aga. Nke a na-egosi na echiche oge n'ala Igbo bụ usoro ndụ nke na-akpọ mmadụ ka ọ bụrụ n'otu na ihe okike, na-agba ume n'imekọrịta na ịdị n'otu n'etiti mmadụ na ụwa eke.

Ya mere, nnyocha a kwụsịrị na etimọlọji aha anụmanụ bụ ụzọ dị mkpa iji ghọta echiche oge n'omume ndị Igbo. Ọ na-enye aka ichekwa amamihe ọdịnaala ma na-eme ka e nwee nghọta miri emi banyere njikọ dị n'etiti asụsụ, echiche, na omenaala. Nke a na-egosi na asụsụ na omenaala bụ akụkụ abụọ na-enweghị nkewa n'ịkọwa ka ndị mmadụ si eche, soro oge, ma nyefe amamihe site n'otu ọgbọ gaa n'ọgbọ ọzọ.

Ndụmọdụ

1. **Idekọ na ichekwa ihe ọmụma:**
   Ndị ọkà mmụta na ụlọ ọrụ omenaala kwesịrị idekọ ma chekwaa okwu na ihe ọmụmaatụ ndị Igbo ji anụmanụ akọ oge, tinyere mgbọrọgwụ okwu ha, iji chekwaa ihe ọmụma omenaala a maka ọgbọ na-abịa.
2. **Ịgbaso n'ụlọ akwụkwọ:**
   A ghaghị itinye ihe gbasara nghọta oge ndị Igbo na etimọlọji asụsụ n'ime usoro mmụta Igbo n'ụlọ akwụkwọ ka ụmụ akwụkwọ mụta asụsụ ha n'ụzọ omimi na nke omenaala.
3. **Nnyocha sitere n'obodo:**
   E kwesịrị ịga n'obodo dị iche iche n'ala Igbo ka a nụ ihe ndị okenye, ilu, na akụkọ ifo ha na-akọ gbasara ka anụmanụ si metụta nghọta oge. Nke a ga-enye aka ka a gụnye ihe ndị echefuru echefu n'akụkọ ọdịnaala.
4. **Ịmepụta ndekọ dijitalụ:**
   Ọ dị mkpa ịmepụta ndekọ dijitalụ nke na-edebe usoro kalenda omenaala na etimọlọji aha anụmanụ n'asụsụ Igbo iji mee ka ọ bụrụ ihe e nwere ike iru n'ụwa niile site n'ụlọ akwụkwọ, Mahadum, na ụlọ akwụkwọ omenaala.
5. **Nnyocha tụnyere omenaala ndị ọzọ:**
   Nnyocha n'ọdịnihu kwesịrị tụnyere nghọta oge ndị Igbo na nke omenaala

ndị ọzọ n'Africa iji mata ụdị echiche mmekọrịta mmadụ na ihe okike n'ụwa Africa niile.

6. **Ịkwalite ihe ọmụma omenaala:**
   Ụlọ ọrụ gọọmentị, ndị na-elekọta omenaala, na Mahadum kwesịrị ịkwado nnyocha, ide akwụkwọ, na mmemme n'asụsụ Igbo iji mee ka amamihe omenaala dị ndụ ma sie ike.

Site n'ihe ndị a, a kwadoro, nchọcha a na-egosi na ịmụ ihe gbasara etimọlọji anụmanụ n'echiche oge ndị Igbo abụghị naanị ọmụmụ asụsụ, kama ọ bụ ba mbọ ime ka omenaala na ọgụgụ isi ndị Igbo dị ndụ n'oge a, nke mgbanwe na mmepe ụwa.

Nrụaka

Achebe, C. (1975). *The world of the Igbo.* Enugu, Nigeria: Fourth Dimension Publishers.

Anyachebelu, A. L., & Umeodinka, U. G. (2025). Indulgence and training in the Igbo family value system in contemporary times. *Olu Igbo: Journal of Centre for Igbo Studies, University of Nigeria, Nsukka, 6.* Retrieved from https://igbostudies.unn.edu.ng/wp- content/uploads/sites/56/2025/07/5-Indulgence-and-Training-in-the-Igbo-family-Value-System-in-Contemporary-times.pdf

Bhatti, M. S. (2012). Animal behavior and circadian rhythms. *Earth Journal.*

Chukwudebelu, I. A., Ajakor, E., & Molokwu, G. C. (2024). Unveiling the depths: A scholarly exploration of the Igbo worldview. *Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies, 6*(1). Retrieved from https://www.sfjesgs.com/index.php/SFJESGS/article/view/529

Ekechi, F. (1981). *Religion and change among the Igbo.* London, England: Heinemann.

Eze, R. I. (2022). Ikuzi omenala ịlụ nwaanyị n 'ala Igbo maka iwube ntọala ezinaụlọ bido n'ogo sekọndịrị ukwu. *Ideal Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria, 15*(3). ISSN 2476-8421.

Eze, R. I., & Ewelum, C. P. (2023). Integrating Igbo cultural education and taboo (aru) beliefs in secondary school curriculum for sustainable development in Igbo land. *Ekwe Journal nke Ndi Igbo Scholars Forum Nigeria, 2.* ISSN 2476-3448.

Green, M. M. (1964). *Igbo village affairs: Chiefly with reference to the village of Umueke Agbaja.* London, England: Frank Cass.

Ma, C., & Shen, B. (2024). Impacts of circadian disruptions on behavioral rhythms in mice. *The FASEB Journal, 38,* e70183. https://doi.org/10.1096/fj.202401536R

Nwobodo, R. E. (2021). A dialogic of taboo in traditional Igbo society and the 21st century mentality. *Trinitarian International Journal of Arts and Humanities, 1*(2), 45–60. Retrieved from https://ezenwaohaetorc.org/journals/index.php/TIJAH/article/download/1908/1937

Nwoga, D. I. (1984). *The Igbo calendar and symbolism.* Nsukka, Nigeria: University of Nigeria Press.

Ogbalu, F. C. (1965). *Omenala Igbo.* Onitsha, Nigeria: University Publishing Company.

Shahjahan, A. (2012). *Ritual animal symbolism in world religions.* Oxford, England: Blackwell.

Song, Y., & Yoon, M. (2025). Melatonin effects on animal behavior: Circadian rhythm, stress response, and modulation of behavioral patterns. *Journal of Animal Science and Technology, 67*(1), 1–16. https://doi.org/10.5187/jast.2024.e105

Steward, J. (1955). *Theory of culture change: The methodology of multilinear evolution.* Urbana, IL: University of Illinois Press.